# NDỊNLEDO IRINAABỤỌ AHỤ NA AKỤKỌ HA WEGHACHIRI
## Ọnu-ọgugu 13:1-33; Deuteronomi 1:19-24
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 101 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na onye nāgha nkpuru nye anu-aru onwe-ya gēsite n'anu-aru ahu weta nmebi dika ihe ubi; ma onye nāgha nkpuru nye Mọ Nsọ gēsite na Mọ Nsọ weta ndu ebigh-ebi dika ihe ubi" (Ndi Galetia 6:8).**

**I Ndụmọdụ nke Onyenweanyị Maka Ịga Ledo Ala Kenaen**

1. O nyere Moses iwu ka o zipu otù onyeisi site n'ebo niile ọ bụla ka ha ledo ala ahụ, Ọnu-ọgugu 13:1, 2
2. Moses rọpụtara ndịisi nke ebo ọ bụla, mmadụ irinaabụọ, ka ha gaa ledo ala ahụ, Ọnu-ọgugu 13:3-15
3. Ụfọdụ nime ha bụ Keleb nke Juda, na Joshua (Jehoshua) nke Efraim, Ọnu-ọgugu 13:6, 16

**II Ndị ahụ Rị ọrọ ka Ndị kom Ndị Arọpụtara arọpụta Jee Ledo Ala ahụ**

4. Israel gabigara otù ọzara ukwuu dị egwù mgbe ha rapụsịrị Horeb (Ugwu Sainai). Deuteronomi 1:19
5. Ha wee bịarute ugwu ndị Amorait ewee dụọ ha ọdụ ka ha nweta ya, Deuteronomi 1:20, 21
6. Ma ndị ahụ gwara Moses ka o zipuu ndịkom ịgan'iru ha iledo ala ahụ, nke Moses mezuru, Deuteronomi 1:22-24

**III Ndụmọdụ Niile ka Enyere Ndị nledo Iri na abụọ ahụ**

7. Moses dụrụ ndị ahụ ọdụ ka ha mata ma ndị ahụ bụ ndị dị ike maọbụ ndị náadịghị ike, ndị dị olenaole maọbụ ndị bara ụba, Ọnu-ọgugu 13:17, 18
8. Adụrụ ha ọdụ ka ha mata ma ala ahụ dị mma maọbụ na ọ jọrọ njọ; ma ha naebi ụlọikwuu, maọbụ obodo ewusiriike, Ọnu-ọgugu 13:19
9. Ọ gwasịrị ha ike ka ha nwee obiike ma weghachi kwa mkpụrụ nke ala ahụ, Ọnu-ọgugu 13:20

**IV Ọlụ nke Nledo ahụ ka Mmadụ Irinaabụọ ahụ Lụzuru N'ikwesi Ntụkwasị obi**

10. Ha ledoro ala ahụ site na zin nke dị na ndịda, rue Hebron nke chere iru n'ugwu, Ọnu-ọgugu 13:21, 22
11. Ha wetara ụyọkọ mkpụrụ grape site n'Eshkọl, nke ndịkom abụọ náebu, ya na pomegranate na fig, Ọnu-ọgugu 13:23, 24
12. Ha si n'iledo ala ahụ laghachi, mgbe iri ụbọchị anọ gasịrị, Ọnu-ọgugu 13:25

**V Ozi nke Mmadụ Irinaabụọ ahụ Weghachiiri Ụmụ Israel**

13. Ha kwuru na ala ahụ n'ezie "bu ala miri ara ehi na manu añu nēru," ha gosikwara mkpụrụ dị icheiche sitere na ya, Ọnu-ọgugu 13:26, 27
14. Ha kwukwara na ndị bi n'obodo ahụ bụ ndị dike, náebi kwa n'obodo ewusịrịike, Ọnu-ọgugu 13:28, 29
15. Otú ọ dị, Keleb mere ka ndị Israel gbaa nkịtị, sị ha, "ka ayi rigo nọọ, nweta ya," Ọnu-ọgugu 13:30
16. Ma mmadụ iri ahụ wetara akụkọ ọjọọ, náekwusiike na ala ahụ jupụtara na ndị dike, Ọnu-ọgugu 13:31-33

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Israel N'ókè ala nke Kenean**

Mgbe oge inye iwu ahụ na nke ime ka òfùfè nke Ụlọikwuu guzosịrịike bịara n'òzùzùòkè, Ụmụ Israel buliri ijé site n'Ugwu Sainai wee soro ogidi igweojii ahụ nke náedú ha wee rute n'ókè Ala ahụ Ekwere ná Mkwà. Dịka ndị ahụ matara, Jehova ekwewo mkwà inye Abraham na ụmụ ya ala nke a. Chineke akọwaworo ha n'ala ahụ dịka "ala nke miri-ara-ehi na manụ añu nēru nime ya." Ọ bụ kwa ya kpọpụtara Ụmụ Israel site n'Ijipt, ọ bụghị náánị ka Ọ napụta ha n'aka ndị náachị ha n'ihe ike kama ka O wee dubata ha n'ala a nke náamị ọtụtụ mkpụrụ ebe ha gaenwe ubi vine nke ha náakụghị na obodo dị icheiche nke ha náewughị. Mgbe emesịrị ha rutere n'ugwu ndị Amorait, n'ọdịdaanyanwụ nke Kenean, Moses sịrị, "Le, JEHOVA, bú Chineke-gi edowo ala ahụ n'iru-gi: rigo, nweta dika JEHOVA, bú Chineke nna-gi-ha, gwaworo gi okwu; atula egwù, atu-kwa-la ujọ" (Deuteronomi 1:21). Ụmụ Israel nwere mkpali, dịka agaasị ha rịgonụ n'otù ntabianya wee nweta ala ahụ.

**Àtụ̀màátụ̀ nke Ụmụ Israel Izipụ Ndị nledo**

Ma Ụmụ Israel, ná mbuliijè ha site n'Ugwụ Sainai, n'oge ná adịghị anya agafewo "otù ọzara uku di kwa egwù" ya na ugwu ndị Amorait ahụ jọgburu onweya ná njọ na n'ile anya na ndị bi n'ala ahụ nke bụ kwa ndị náenweghị obiọma. Ya mere ha sịrị Moses, "ka ayi zie ndikom n'iru ayi, ka ha we lepụtara ayị ala ahụ weghachi kwara ayi okwu banyere ụzọ nke ayị gēsi-rigo, na obodo nke ayị gaba nime ha" (Deuteronomi 1:22). Otú a, anyị hụrụ, na Ụmụ Israel, enweghị ike idabere n'Ogidi igweoji ahụ iduba ha n'ala ahụ Ekwere ná Mkwà, ọ bụ ezie na Jehova bụ Chineke ha

ekwewo mkwà ijé n'iru ha na iburu ha agha ha (Deuteronomi 1:30). Emesịa kwa ha chọrọ ịchọpụta n'eziokwu ma Kenean, ọ bụkwarị ala náamị mkpụrụ dịka ekwuru na ọ bụ, ọ bụ ezie na Chineke n'onwe Ya agwawo ha na ọ bụ "ala nke miri-ara-ehi na manu-añu nēru."

**Ekweghị ekwe nke Ụmụ Israel**

Lee otú Ụmụ Israel si dị iche n'ebe nna ha bụ́ Abraham nọ! Mgbe Chineke gwara ya okwu o wee gee ntị. Mgbe Chineke nyere ya iwu o wee rube isi. Mgbe Chineke sịrị "si n'ala gi, si kwa n'umu nna-gi, si kwa n'ulo nna-gi, je nke gi rue ala ahu nke M'geme ka I hu ya anya," n'otù ntabianya Abraham wee chịkọta èzínaụlọ ya "ha wee pua ijé ala Kenean; ha we ba n'ala Kenean" -- ala nke ọ naáamataghị. Abraham bụ onye amaara nkeọma dịka "nna nke okwukwe," o jere ijè n'okwukwe, ọ bụghị n'ọhụ́hụ́ ụzọ; n'ihi na edewo ya n'akwụkwọ nsọ sị, "Onye ezi-omume nkem gēsite n'okwukwe di ndu," na "Asi na okwukwe adigh ọ bu ihe anāpugh ime, bu ime ihe gātọ Chineke ezi utọ." Ụmụ Israel bụ ihe atụ nke náadịghị mma n'ebe okwukwe nke nna ha dị. Ha niile, náagbaghị agụgọ chere na izipụ ndị nledo bụ àtụ̀mààtụ̀ nke dị mma. Ha chere na ọ gaenyere ha aka inwe mmeri n'ebe ndị iro ha nọ. Ma nke a abụghị àtụ̀mààtụ̀ nke JEHOVA bụ́ Chineke nke ndị bụ nna ha, O kwuwo sị "Rigo nweta ya." Àtụ̀mààtụ̀ niile nke mmadụ nke eledara Chineke anya nime ya naabụ ihe efù.

Ekweghịekwe bụ mmehie pụtara ìhè nke Ụmụ Israel. Ọ bụ mmehie a naetinye ha ná nsogbu nime ọzara ahụ n'oge niile. Ntamù ha na ntakwu ha niile naapụta site n'obi nke ekweghịekwe. Nke a naalụpụtara ha isi n'otù ọdịda baa na nke ọzọ, nime nke a anyị gaahụ́ na o mere ka ọgbọ ndị tolitere etolite n'etiti ha ghara inwe ike ịbà n'Ala Mkwà ahụ. Ma ihe ọjọọ a akwụsịghị n'ụbọchị niile nke Iwu na ndị amụma. Akwụkwọ ozi nke edegaara ndị Hibru bụ́ ịdọakanántị nke enyere ndị Kraist sitere n'ụmụ Hibru maka enweghị ike nke ndị bụ nna ha ịbà n'izuike ha. Ha bụ ndị náesoụzọ Onyenweanyị Jisọs Kraist dịka Mesaia ha, ma na nwa oge ha were ọñụ nágide mmebisi nke ihe onwunwe ha; ma mgbe mkpagbu na óké mkpà naaga n'iru, n'ihi enweghị obiike na ekweghịekwe ha wee nọ n'ihe egwù nke isi n'olileanya ha nke dị nime Kraist Jisọs pụọ. N'isi nke irinaotù nke akwụkwọ ozi a onye dere ya naechetara ha banyere ndị dike ahụ sitere ná nna ha, na ha niile n'otù n'otù sitere n'okwukwe nwee mmeri. Ma ihe agbanwebeghị dka ọ dị n'oge ahụ. N'ụbọchị ikpeazụ ndịa ekweghịekwe ka bụ kwa otù mmehie nke pụtara ìhè. Anyị nwereike irita urù ma ọ bụrụ na anyị echeta ihe dakwasịrị Ụmụ Israel. Jisọs gwara ndị náesoụzọ Ya sị "N'uwa unu nēnwe nkpagbu ma nwenu obi-ike; Mu onwem emeriwo uwa" (Jọn 16:33).

**Aropụtara Ndị nledo Irinaabụọ Ahụ**

Náagụghị otú o si jọọ njọ n'obi Chineke bụ́ àtụ̀mààtụ̀ nke Ụmụ Israel izipu ndịkom n'iru ha ijé Ala Mkwà ahụ, ebe ha buwororị ụzọ rịọ nke ahụ, Ya onweya kwenyere n'arịrịọ ha ma gwa kwa Moses sị, "Zigara onwe-gi ndikom, ka ha we ledo ala Kenean, nke Mu onwem nēnye Ụmụ Israel" (Ọnu-ọgugu 13:2). Ya mere Moses rọpụtara, dịka enyere ya n'iwu, otù nwoke site n'ebo niile ọ bụla, "Onye ọ bụla, o we buru onye-isi n'etiti ha," tinyere Joshua nke si n'ebo Efraim, na Keleb nke si n'ebo Juda, wee zipụ ha iledo ala Kenean, wee gwa ha sị, "Rigonu n'uzọ a nime Negeb, rigo-kwanu n'ugwu: we hu ala ahu, ihe ọ bu; na ndi ahu ndi bi na ya, ma ọ bu ndi di ike ka ha bu ma-ọbu ndi nādighi-ike, ma ọ bu madu ole-na-ole ka ha di ma-ọbu ndi di ike ma ọbu ọtutu madu; na ihe ala ahu bù nke ndi ahu nēbi nime ya, ma ọ bu ezi ala ka ọ bu ma ọ bu ala ọjọ; na ihe obodo nile bu nke ndi ahu nēbi ha, ma ọ bu na ha bi n'ọmuma Ulo-ikwuu, ma ọ bu n'ebe ewusiri ike" (Ọnu-ọgugu 13:17-19). Moses nyekwara ha iwu ka ha "Me, kwa onwe-ha ka ha di ike, weta kwa ufọdu nime nkpuru ala ahu."

Ndi nledo irinaabụọ ahụ malitere na Kedesh-banea na ndịda wee gaa n'ugwu rue Hebron ebe nna ha Abraham, biri na mbụ. Ọ bụ kwa n'ebe a ka Abraham, mgbe ọ naanọdụ n'okpuru osisi oak nke Mamre n'oge okpom ọkụ nke ehihie, lere ndịkom atọ ọbịa mgbe ha batara n'ụlọikwuu ya, ma chọpụta n'oge náadịghịanya na ọ bụ ndị mmụọozi ka o lere ọbịa. Eleghịanya ndị nledo ndịa, dịka ụmụ ntakịrị ndị nọ n'èzínaụlọ ha dị icheiche, anụwo akụkọ a banyere nna ha nke náeso ụzọ Chineke, wee nwee mmetụta na ha naagabiga n'ala dị nsọ. N'ezie Kenean niile aghọwọ "Ala di Nsọ" n'ihi na ọ bụ n'ebe ahụ ka Chineke zutere nna ha. Ihe a niile dị nsọ nke mere n'ebe a kwesịrị ịkpali obi Ụmụ Israel niile ịsọpụrụ na irubere Chineke isi bụ́ onye nyere ha ala ahụ.

Ịga n'iru ntakịrị n'akụkụ ebe ugwu nke Hebron ndị nledo ahụ wee bata na ndagwurugwu Eshkọl, wee hụ́ otù Uyọkọ mkpụrụ vine nke buru ibu nke ha gbuturu buru kwa lata, nke ndịkom anọ ji ogwe osisi buru. Ha wetakwara mkpụrụ fig na pomegranate, ka ha wee nwee ihe mkwagide na nke a bụ eziokwu "ala miri-ara-ehi na manu añu nēru."

**Ozi nke Ndị nledo Irináabụọ ahụ Weghachiri**

Ndịkom ndịa arọpụtara ji ikwesi ntụkwasịobi were iri ụbọchị anọ n'iledo ala ahụ, ma were kwa mkpụrụ sitere n'ala ahụ lata jikere izi ozi nke ha weghachiri. Ha wee gwa Moses na Eron, na ọgbakọ niile nke Ụmụ Israel okwu

nime Kedesh sị, “Ayi bara n’ala ahu ebe I zigara ayi, ọzọ kwa, ala nke miri-ara-ehi na manu-añu nēru nime ya ka ọ bu; nka bu kwa nkpuru-ya” (Ọnu-ọgugu 13:27).

Ọ bụ kwa dịka Jehova kwuworo banyere ala ahụ ka ọ dị -- “ala nke miri-ara-ehi na manu-añu nēru nime ya.” Ma ha hụrụ ihe karịrị nke a. Otú ọ dị ndị bi n’ala ahụ dị ike, ewusi-kwa-ra obodo nile ha ike ha di kwa uku ri nne: ọzọ kwa, umu Anak ka ayi huru n’ebe ahu. Amalek bi n’ala Negeb: ndi Het na ndi Jebus na ndi Amorait bi n’uwgu ndi Kenean bi n’usọ oké osimiri, na n’akuku Jọdan” (Ọnu-ọgugu 13:28, 29). Ma Keleb, otù onye nime ndị nledo ahụ, wee mee ka ndị Israel gbaa nkịtị n’iru Moses, ọ sị, “Ka ayi rigo nọ nweta ya; n’ihi na ayi puru ime ya nke ọma” (Ọnu-ọgugu 13:30). Joshua na Keleb guzoro n’otù ihe, ma mmadụ iri ndị soro ha rigo wee sị, “Ayi apugh irigo imegide ndi ahu, n’ihi na ndi di ike ka ha bu kari ayi” (Ọnu-ọgugu 13:31). Otú a ka ha si weghachi ozi ọjọọ banyere ala ahụ, wee mee ka obi ndi ahụ daa mbà imezu ihe JEHOVA nyere ha n’iwu, sị “Rigo nweta ya.”

**Iseokwu N’etiti Ụmụnna**

Ndị ahụ, náagbaghị agụgọ, nabatara enweghị obiike ha, náechè na aga agụ ha ná ndị ikpé ná amaghị site n’omume dị otú a, ebe ọ bụ na ala ahụ jupụtara ná ndị dịike. Ma anyị gaachọpụta n’iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị banyere Ụmụ Israel ndịa na obi ịdambà abụghị mmehie dị ntakịrị. Mgbe obi ịda mbà batara, okwukwe apụọ; ekweghịekwe bụ ihe kpatara ọdịda nke Ụmụ Israel. Obi ịda mbà bụ ihemgbochi nke ekwensu náeji abata ịtụgharị obi ụmụmmadụ isi n’okwukwe ha n’ebe Chineke nọ pụọ. Ọ gbalịrị nkeọma ime ka nke a dị ire n’ebe Ụmụ Israel nọ. Otú a ka ndị nledo mmadụ iri ahụ nwere obi ịda mbà si zisaa iseokwu n’etiti ụmụnna, ma ikpé Chineke megide iseokwu ka edeworo n’okwu Chineke.

**“Ihe isi di nke JEHOVA kpọrọ asì; E, ihe asa di nke bu ihe aru nke nkpuru obi Ya:**
**“Anya di elu, na ire okwu ugha, na aka nāwusi ọbara nēmegh ihe ọjọ,**
**“Na obi nke nēcheputa échìchè ajọ ihe, na ukwu nēme ngwa igabiga n’ihe ọjọ.**
**“Na onye-ama okwu-ugha nke nēkupu okwu-ugha di iche iche dika ume, na ONYE NĒZISA ISE-OKWU N’ETITI UMU NNE” (ma-ọbụ ỤMỤ NNA) (Ilu 6:16-19).**

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ókéala nke Kenean bụ́ nke Ụmụ Israel ruru mgbe JEHOVA nyere ha iwu ka ha nweta ala ahụ?
2. Gịnị bụ nzube Ụmụ Israel mgbe Moses nyere ha okwu nke JEHOVA?
3. Ndịnledo òle ka arọpụtara gịnị mere ejiri kwụsị n’ọnụ- ọgụgụ dị otú a?
4. N’ala ndị òle ka ha malitere nledo nke Kenean?
5. Akụkụ ebe òle nke Ugwu ka ha ruru? Òlee ihe akụkọ mere n’ebe a?
6. Òlee ebe ndị nledo ahụ chọpụtara mkpụrụ ahụ nke juru eju? Òlee kwa ihe ha weghachịrị?
7. Ụbọchị òle ka o weere ndị nledo ahụ iledo ala Kenean?
8. Mgbe ha laghachịrị òlee ụdị ozi ha weghachịrị?
9. Gịnị ka ha kwuru, bụ nke jọrọnjọ?
10. Gịnị bụ okwu otù nime ndị nledo ahụ kwuru iji guzogide ozi ọjọọ ha? Gịnị bụ aha onye ahụ?
11. Òlee ụdị mmetụta ozi ọjọọ a nwere n’ebe Ụmụ Israel nọ?